# ỤMỤỌKPỤ IGBO: O DOZI KA Ọ BỤ Ọ DỌGHA OBODO?

BY

1.Dr. Benedict Nkemdirim Igbokwe
Directorate of General Studies,
Federal University of Technology, Owerri.
Imo State.
benedict.igbokwe@futo.edu.ng

2. Dr. Theresa Ngozi Onuora
Federal University of Technology, Ndufu Alike
Ebonyi state.
Onuora.ngozi@funai.edu.ng

3. Chinonso Faith Obumneke
Directorate of General Studies,
Federal University of Technology,
Owerri.
faithobumneke@gmail.com

4. Osuji Mercy, A.C
Directorate of General Studies,
Federal University of Technology,
Owerri.
mercyabuoma@gmail.com

**Abstract**
There is no gainsaying the fact that issues concerning the culture, tradition and values of the Igbo are male-centered. Meanwhile, women are inevitable factor in discussing peace, unity and progress of any people. Some comments against the daughters of Igbo (ụmụọkpụ Igbo) show that there are some level of disconnect and misunderstanding about the position of these daughters and their duties, for the good of the families and the communities in general. This research is part of the ongoing efforts to redeem the good image of Igbo daughters by exposing and bringing to limelight the duties of ụmụọkpụ to the Igbo communities. This research which took a survey approach, got its authority from structural functionalism theory, to look into the position and activities of Igbo daughters in the five Igbo states, and through a critical analytical discuss, the research stands bold to say that the duties of ụmụọkpụ as builders cannot be rivaled nor contested in all facets of life. This research which will benefit those who ab-initio misunderstood the position of ụmụọkpụ, researchers, and the entire Igbo, gave recommendations for progressive future.

**Keywords: Ụmụọkpụ, Family, Community, Peace, Progress.**

## ỤMỊ EDEMEDE

Ọ bụ eziokwu na okwu banyere omenala na ọdịbendị ndị Igbo kacha metụta ndị nwoke mana ụmụnwanyị bụ e jewe a ghaghị n'okwu ndị banyere udo, ịdịnotu na ọganiihu obodo ọ bụla. Ụfọdụ okwu ndị a na-ekwu megide ụmụọkpụ na-egosi na e nwere ọtụtụ nghọtahie banyere ọnọdụ ha nakwa ọrụ ndị ha na-arụ maka ọdịmma ezinụlọ nakwa obodo n'ozuzu oke. Nchọcha a so na mbọ na-aga n'ihu iji kwụsị aha ọjọọ a na-akpọ ụmụọkpụ site n'ịgba n'anwụ, uru ndị ahụ ụmụọkpụ na-abara obodo. Nchọcha a, nke gbasooro usoro sọvee gbagịdekwara ụkwụ n'atụtụ nchọcha structural Functionalism Theory, wee leba anya n'ọnọdụ ụmụọkpụ n'ime steeti ise dị n'ala Igbo, wee sitekwa

na ntụcha na ntụchazi ihe ndị a hụrụ wee kwusie ya ike na ọrụ ụmụọkpụ dịka ndị odozi obodo, e nweghị atụ na ngalaba niile nke ndụ. Nchọcha a nke bụ maka ọdịmma ndị naara enwe nghọtahie banyere ọnọdụ ụmụọkpụ n'ala Igbo, ndị na-eme nchọcha nakwa ụmụafọ Igbo niile, nyekwara ezi ntụziaka ndị a ga-agbaso maka ọdịniihu.

**Ọkpụrụkpụ okwu: Ụmụọkpụ, Ezinụlọ, Obodo, Udo, Ọganiihu**

**Ndubata**

Ụmụọkpụ pụtara mbịakọta ọnụ nke nwa nwaanyị ọ bụla a mụrụ n'ezinụlọ ndị Igbo. E nwere ike kpọọ ha Ụmụmgbọtọ ma ọ bụkwanụ ụmụada. Ihe ọ pụtara bụ na nwaanyị ọ bụla bụ onye Igbo bụ nwanyị ọkpụ ma ọ bụ nwa ada n'obodo n'ezinụlọ nakwa n'obodo ahụ a mụrụ ya. Mgbe ụmụnwanyị ndị a sitere n'otu ọnụmara, otu ogbe, otu ime obodo, ma ọ bụkwa otu steeti bịakọtara ọnụ n'okpuru otu òtù, ọ bụ ha ka a na-akpọ ụmụọkpụ nke ebe ndị ahụ a kpọrọ aha.

N'okwu Ene, (2007:20)

> "Ọ bụ oke ruuru ụmụnwanyị niile a mụrụ n'otu ọnụmara ma ọ bụ obodo isonye n'otu ụmụọkpụ. Ọ bụ otu siri ezigbo ike n'okwu ọchịchị na mmekọrịta mmadụ na ibe ya, n'obodo. Ọ bụrụgodu na nwanyị a lụrụ dị na mba ọzọ ọ ka bụkwa Ada/Nwanyi ọkpụ n'obodo nna ya. Nke a mere, nwanyị ọ bụla na-esoghị n'otu a ga-aburịịrị, elemanya onye sitere na mba ọzọ ma ọ bụkwanụ onye a mapụrụ n'iwu maka itinye aka n'arụ.

Nwanyị anaghị echefu ebe a mụrụ ya n'agbanyeghị ebe ọ lụpụrụ di.

Ubesie, (1978:84) kwuru,

> E mewe nwanyị ihe ọjọọ n'ebe ọ lụrụ di ọ na-agbara ọsọ lọkwute nna ya. Ọ bụ ihe doro nwanyị ọbụla anya na n'ụlọ nna ha ka ha nwere ike ịgbalata mgbe ọsọ na-achụ ha. Mgbe ha sitere ebe dị iche iche a na-alụ ha lọta, ha na-ehiwe otu ụmụọkpụ a, were ya na-emezi ala nna ha nke ọ ga-abụ ha gaa ebe a lụrụ ha, ha ewere ebe a mụrụ ha na-eme ọnụ na –anarakwa ugwu na nsọpụrụ ndị so ya.

Ọ naghị adịchara ụmụnwanyị Igbo mfe n'ịpụta na-amanye ọnụ n'okwu banyere ihe ndị na-eme n'obodo dịka otu mmadụ n'ihi ọnọdụ ha hụtara onwe ha n'omenala Igbo, mana ọ bụrụ na ha jikọọ onwe ha ọnụ n'okpuru otu ụmụọkpụ a na-enye ha ohere ikwu uche ha banyere ọnọdụ obodo a mụrụ ha, ma tụnyekwa oke nke ha maka ọdịmma nke obodo ahụ. Nke a mekwara ụmụnwanyị ndị lụtara di ji asọpụrụ ụmụọkpụ otu ahụ ha si asọpụrụ ndị di ha.

N'okwu nke ya n'isiokwu a, Ubesie, (1978:84) sịrị,

> Ọ naghị adị mfe nwanyị ịrụ nwoke ụka n'ihu n'omenala Igbo, mana ọ bụrụ na ụmụọkpụ ekwuo okwu, ọ dịghị nwoke ma ọ bụ nwanyị ga-esi agụgọ n'ihi na o nweghị onye ga-achọ ka ha gọọ ya ọfọ, n'ihi na ha kwenyere na ọfọ ụmụọkpụ na-ere ire, ebe ọ bụ na ha kwenyekwara na ndị otu ha ndị nke nwụrụ anwụ na-enye ha nkwado.

A na-agbanarịkarị ọnọdụ ọ bụla nwere ike ime ka iwe wee ụmụọkpụ n'ihi na ọ bụrụ na ha ewere iwe na ịkwa akwa tụrụọ onwe ha n'ala ma ọ bụ kwaa ngwongwo ahịhịa ma ọ bụ were agalaba osisi kwụchiere mmadụ n'ọnụ ụzọ ụlọ ya, ezigbo nsogbu adịla n'ihi na ndị Igbo kwere na nke a ga-ebutere onye nwe ụlọ ahụ abụmọnụ nakwa mkpọchu ihu dị iche iche. Ha nwekwara ike ịkagbu ọnụ ọ bụla ha bụrụ mmadụ ma zachasịakwa unyi ndị ha kpokọrọ n'ụlọ mmadụ ma ọ bụrụ na e meedaa ha obi ma meekwa ihe ndị ha na-achọ.

Ụdị omume ndị a Ụmụọkpụ na-eme kpatara ọtụtụ mmadụ ji na-eze ha eze ma na asọkwara ha nsọ ha, mana ọtụtụ ndị mmadụ na-aghọtahie omume ndị a wee na-ahụta ya dịka mmegbu, ịwa anya, anya ukwu, iyi ndụ egwu nakwa ịdọgha obodo kama idozi ya edozi. Ndị dị otu a elerughị anya nke ọma iji chọpụta na omume ndị a bụ usoro nakwa ngwa ọrụ nke ha ji enweta ihe ha na-achọ nke hiwere isi n'udo, ọganiihu na ikpe ziri ezi.

N'uche Ajaeree, (2002:98)

> "A na-enye ụmụọkpụ ugwu ka a ga-asị na ha bụ egbe a ga-eji agbagbu mmadụ. Ụmụọkpụ nwere ike ịgbasa alụmdị na nwunye. Imerime ndị ma chi ha na-efe na-agbara ịbanye n'otu ụmụọkpụ ọsọ. Ha na-eze nnọkọ ha eze, n'ihi oke ọgụ na mgba, omume ọjọọ ha gasị nakwa eriwe afọ eju eju na weta ka e rie, dị ha n'ahụ.

Onye dere ihe a n'elu nwekwara ike soro n'otu n'ime ndị a na-aghọtahie ọrụ ụmụada na-arụ n'obodo, wee na-akpọzi ha ọdọgha obodo.

Ogbalu, (1974:89) haziri okwu nke ya n'ụdị ọ dabara wee sị

Okwu ụmụọkpụ anaghị ekwe ikwu ekwu, ha na-edozi edozi,na-emeghasakwa emeghasa. Ihe okwu a na-akọwa bụ na ụmụọkpụ na-akwalite ma na-emekwa udo n'ebe ndị chọrọ udo dị mana ha nwekwara ike ịtụghari ụkwu egwu ha n'ebe onye na-achọghị udo dị n'ihi na ha nwere evu nweekwa mfu, a naghi eji olu reberebe achụ ajọ mmụọ".

**Atụtụ Nchọcha (Structural Functionalism Theory)**

Atụtụ nchọcha a bụ maka ọnọdụ mmadụ na ibe ya. Ọ na-ahụ obodo dịka usoro sara mbara ma waakwa ọtụtụ ngalaba nke akụkụ na-ejikọta aka n'ọrụ iji kwalite ịdịnotu na nkwụgidesike. Ọ na-arụpagide aka na njikọrịta nke dị n'etiti otu ewumewu dị iche iche nke ọha mmadụ nakwa otu ha si na-atụnye oke nke ha n'ihu na obodo n'ozuzu ya na-aga n'ihu ma kwụrụkwa chịm.

Ndị aha ha kacha pụta ihe n'itụpụta atụtụ nchọcha a gụnyere Emile Durkheim, Talcott Parsons na Robert Merton.

Ọkpụrụkpụ Isiokwu Nchọcha ha

i. Usoro nhazi ọnọdụ mmadụ na ibe ya

Atụtụ a lekwasara anya n'usoro ọnọdụ mmekọrịta nke ngalaba dị iche iche n'obodo, dịka otu ewumewu dị iche iche dịka ezinụlọ, mmụta okpukperechi nakwa okwu akụ na ụba.

ii. Ọrụ Obodo

O kwenyere na ngalaba niile mejupụtara obodo nwere ọrụ ha dị iche iche, bụkwa ndị na-enye aka na nkwudosike nke obodo.

iii. Ndaberịkọta nke otu ewumewu obodo

A hụtara otu ewumewu ndị nọ n'ime obodo dịka ndị dabeere n'ibe ha iji rụọ ọrụ otu o kwesịrị.

iv. Atụtụ nchọcha a na-akowa na obodo na-aka eguzosiike ma na-arụkwa ọrụ nke ọma mgbe ngalaba ya niile jikọtara aka n'ọrụ iji nwetazuo ọchịchọ ndị mmadụ n'otu n'otu nakwa n'ozuzu ha (Memahon, 2024)

**Ụzọ dị Iche Iche Atụtụ Nchọcha a (Structural Functionalism Theory) Siri kwado Ọrụ Ụmụọkpụ**

Atụtụ nchọcha a na-eleba anya n'ụzọ ngalaba otu ewumewu dị iche iche n'obodo si arụ ọrụ iji kwagide nkwụsike na ezi mmekọrịta n'obodo.

E nwere ike iji atụtụ a tụlee ma leba anya n'ọrụ ndị ahụ dị iche iche Ụmụọkpụ na-arụ n'ime obodo dị iche iche n'ala Igbo dịka ịhụ na ihe gara n'usoro kwesịrị ekwesị n'etiti ndị obodo.

Ọrụ ha n'idozi esemokwu na ikpe ikpe ziri ezi na-eme ka udo na ịdịnotu dị n'obodo.

Ụmụọkpụ na-akwalite mmekọrịta n'okwu akụ na ụba; site n'isonye n'atụmatụ ọrụ mmepe dị iche iche, ma na-agbakwa ọnya ego, nke na-eme ka okwu akụ na ụba na ọdịmma ndị obodo gbasie ike.

Ha na-echekwa omenala, wee na-enyefe ya site na ndụdụgandụ wee ruo na ndụdụgandụ. Ọrụ ha n'ikwalite ọdịnala, ịgba nke ma hụkwa na ndị mmadụ kpara agwa ọma n'ọha, ịkụziri nakwa inye ụmụagbọgho ndụmọdụ, bụcha ọrụ dị mkpa n'inyefe ihe ndị ahụ ndị Igbo kpọrọ ihe baara ya uru, site n'otu ọgbọ wee ruo n'ọgbọ ndị nke n'abịa n'ihu.

**Ụmụọkpụ Na Ọrụ Ha Dị Iche Ichi N'ala Igbo**

Ụmụmgbọtọ Igbo dịcha ka ụmụnwanyị ndị ọzọ, kama ha nwere ọdịdị pụrụ iche nke mere ha jiri bụrụ ọpụrụiche. Ọtụtụ n'ime ha mara mma nwanyị a na-alụ alụ. Ọ na-adịrị ụmụọkpụ Igbo mfe ịnụkwata n'ebe ọ bụla ha lụrụ di n'ihi umeala ha, ikwu ezi okwu nakwa mgbasike n'ọrụ ha. A na-ahụwakarị ụmụọkpụ Igbo ama ma ha lụo di na mba n'ihi mgbasike n'ọrụ ha. Ụmụọkpụ Igbo so n'ụmụnwanyị ndị ahụ na-agba mbọ soro na-ebu ibu dị n'ezinụlọ, na-azụ ụmụaka ha mụrụ n'eleghị di ha anya n'ihu. Ha esoghị n'ụmụnwanyị ndị ahụ na-afanye aka n'ụkwụ na-ązą "weta ka e rie". Ọ dị mkpa ka a rụtụ aka n'ebe a na umeala ụmụọkpụ Igbo nwere e gbochighị ha ikwupụta uche obi ha n'oge niile.

Mgbe Ogbalu (1974:89) kwuru, "okwu ụmụọkpụ adịghị ekwe okwukwu, ha na-edozi edozi, ọ karịa ha na-ekposakwa ekposa', ihe ọ na-achọ ịkọwa bụ na ụmụọkpụ Igbo bụ ndị umeala, mana ihe e ji ike na nchakasị anya eme pụta, ha nọkwa kwụsie ike, n'ihi na eze ndi ahụ ha ji achị ọchị ka ha jikwa na-ata arụ. Ezinụlọ ụmụọkpụ Igbo bi n'ime ya na-aga nke ọma makana ha na-enweta ezigbo ọzụzụ banyere nlekọta ezinụlọ. A na-amụ ha ka nwa na-ele ha anya n'ihu n'ihi na ha na-ere ure, ọ kachasị ma ha gaa n'obodo ha, ebe ụmụnna ha dị. Ndị ọgọ chọrọ ịbịa lụrụ nwaokpu o bula ga-enye umuokpu oke nke ha, iji nweta nkwado ha n'alụmalụ ahụ.

Ụmụafọ Igbo n'onwe ha na-eji ụmụọkpụ ha eme ọnụ n'ihi mbọ ha nakwa ịgba ha na-eti.

**Ọrụ Ụmụọkpụ N'Okwu Akụ na Ụba**

Ụmụọkpụ na-arụ ọrụ dị mkpa n'okwu nkwalite akụ na ụba nke ezinụlọ ha dị iche iche, nakwa n'obodo ha n'ozuzu oke. Ọ bụrụ na anyị eleba anya n'ọrụ ugbo, o doro anyị anya na nkume ji isi ụlọ akụ na ụba ndị Igbo bụ ọrụ ugbo, na ọ bụkwanụ ụmụnwanyị bu ya n'isi. N'okwu Afigbo, (2010:190)

> Ọ nọghị na mgbagha bụ okwu a na-ekwu na ụmụnwanyị bụ isi ehi nke a naghị achọ achọ n'ite n'okwu akụ na ụba mba Afịrịka tupu ọbịbịa ndị ọcha. Na ngalaba niile bụ e jewe aghaghị n'okwu akụ na ụba, ọrụ ugbo, azụmahịa na mmepụta ihe, ụmụnwanyị rụrụ ọrụ pụrụ iche. N'ọrụ ugbo, ha weere ụbara ọnụọgụgụ ha rụọ ihe a hụrụ anya.

Ụmụọkpụ Igbo ketara oke na nkọwa a e nyere n'elu ebe a. Ha maara na ọrụ ndị dịka ịbọ ahịhịa, ịkọ ihe akụkụ ndị dịka ede, ọka, akwụkwọ nrị dgz dara ha n'ụkwụ, ha na-eke onwe ha n'otu n'otu iji hụ na ha nyeere ụmụnna ha aka n'ọrụ, n'otu aka ahụ kwa ka ha ji enye aka n'ọrụ n'ebe ndị a lụrụ ha. Otu a kwa ka ha si agba mbọ iji hụ na ụmụnna ha nwetara ezigbo abụrụ ihe akụkụ ndị na-eru ihe n'ubi ha.

**Ụmụọkpụ Na Azụmahịa**

Site n'ịlụpụ di na mba, ụmụọkpụ na-eweta njikọ na ezi mmekọrịta n'etiti ụmụnna ha na ebe ndị di ha. Nke a ga-eme ka azụmahịa n'etiti obodo abụọ ndị a na-aga were were.

N'okwu Afigbo (2010:10)

> "N'ụdị obodo ndị dị otu a ndị na-azụ ahịa na ndị na-aga njem ụzọ dị anya na-echekwa onwe ha site n'aka ndị na-ana ha ụtụ aghara aghara n'ụzọ nakwa ndị omekome, site n'ịlụrụ nwanyị n'ezinụlọ ndị nwere agba ndị bi n'okporo ụzọ ahu ha na-esi aga ahịa. Ụlọ ọgọ ha nwoke na-abụrụ ha ebe nlaba nakwa ebe nchekwa ngwa ahịa na ngwongwo ha, ndị ahịa ha na-abịakwa na-akwụ ụgwọ ndị ha ji ma burukwa ngwa ahịa ndị ohụu.

Ihe a e depụtara n'elu bụ ihe mere eme, n'ebe ụmụọkpụ Igbo dị. Ọ bụ site n'alụmdi ha ka e si waa okpo nzụrịta ahịa nakwa ịtụ mgbere dị iche iche. Tupu ọbịbịa ndị ọcha ọ bụladị mgbe ha bịara, ụmụnwanyị bụụrụ isi a hụrụ kwawa okpu na ngalaba ụfọdụ nke ndụ nke ime obodo, ma nọrọkwa n'isi ụfọdụ arụsị. Ụmụnwanyị na-ana ugwu n'obodo site n'ịbụ onye tiri ịgba n'azụmahịa, ọrụ ugbo, ide uri na ikwe akwa (Personal Comminication, Owerri, 2025).

**Ụmụọkpụ na Okwu Ọchịchị Obodo**

Ụmụọkpụ Igbo amalitelarịị itinye ọnụ n'okwu banyere ọchịchị obodo, ọ bụladị tupu ọbịbịa ndị mbịarachịwa (ndị ọcha). Ike ụmụọkpụ kpara n'Ogidi n'afọ otu puku narị itoli na iri na anọ (1914) mgbe ụmụnwanyị ndị na-azụ ahịa mere njegharị iwe, nakwa njegharị iwe ndị ọzọ yiri ya, na-egosi ụzọ ụmụọkpụ Igbo siri gboo mkpa okwu ọchịchị ndi dịịrị ha.

Afigbo (1972) dịka o depụtara ya n'Onyesoh, (2021:3)

> ... e nwere ihe ndekọta site kamgbe gboo n'oge ọchịchị mbịarachịwa banyere otu ụmụnwanyị siri jikọọ aka ọnụ n'ụzọ udo wee megide omume ịkpa oke, mmegbu na tigbuo zọgbuo. Njegharị iwe iji megide ọchịchị nchịgbu nke ndị mbịarachịwa nke ụmụnwanyị mere n'Aba n'afọ 1929 bụ ihe aka ebe nyere amamihe na ike ụmụnwanyị n'okwu ọchịchị n'ala Igbo.

Ụmụọkpụ bụ otu n'ime òtù ụmụnwanyị a haziri ahazi nke ka dị ezigbo ire. N'ihi mgbakọ aka ha ka ha ji nwee ezigbo ugwu na nsọpụrụ n'okwu ọchịchị. Ha na-eso n'idozi esemokwu nakwa ihazigharị ihe n'ime ezinụlọ nakwa obodo. Ndị nwoke na-akwanyekwara ha ugwu nke mere ha ji etinye ọdịmma ụmụnwanyị mgbe ha na-atụ atụmatụ ọ bụla.

Ụfọdụ esemokwu ndị ụmụọkpụ Igbo na-edozi gụnyere:

**i. Esemokwu n'etiti obodo abụọ**

Akugbo, kọwara na mgbe e nwere esemokwu dị n'etiti otu obodo na ibe ya, dịka òkè ala, iyi (mmiri) ịkwasọ ụmụagbọghọ iko n'ike, dgz, ọ bụ ọrụ dịịrị ụmụọkpụ idozi okwu ahụ tupu ya amụbaa. Otu n'ime ihe ndị o jiri dị mkpa idozi okwu ahụ ngwangwa bụ na ndị so n'òtù ụmụọkpụ nwere ike bụrụkwa ndị luru di n'obodo ndị ahụ na-esesị ha okwu, n'ihi ya ha agaghị achọ ka ọgụ daa n'etiti ụmụnna ha na ndị di ha. N'ọnọdụ a ụmụọkpụ ga-arụ ọrụ ndị odozi esemokwu nakwa ndị na-egbo ọgụ. (Akagbo 20th August 2025. Personal Communication)

Afigbo, (2010:89) wee kwado akụkọ a,

> ... otu n'ime òtù ụmụnwanyị ụmụọkpụ dịka ụfọdụ ndị Igbo sị akpa ha, gbasiri ezigbo ike ma dịkwa mkpa. Ma ndị nwoke ma ndị nwanyị naara atụ ha ụjọ ma na-asọpụrụ ha. Ha na-agbata n'okwu ndị dapụtara n'ebe a mụrụ ha, oge ọ bụla ha batara n'okwu, a ga-enwe mkpebi. Ọ bụghị naanị na ha na-edozi okwu ndị dapụtara n'ebe a mụrụ ha kama ha na-akwụsị ọgụ nakwa esemokwu n'ebe ha lụrụ di.

Site n'ihe e depụtara n'elu, o doola anya na ụmụọkpụ chọrọ udo na ezi mmekọrịta karịa mmadụ niile makana ọ bụrụ na ọgụ daa, ọ ga-aka emetụta ụmụọkpụ n'ụzọ abụọ, n'ebe a mụrụ ha na ebe ha lụpụru di, n'ihi ya ha na-agba ezigbo mbọ iji hụ na e nwere udo na ezi mmekọrịta n'obodo.

**ii. Esemokwu n'etiti Ụmụnna**

Ichie Nwankwo, otu n'ime ndị a gbara ajụjụ ọnụ na nchọcha a, kwuru na mgbe esemokwu dapụtara n'etiti ụmụnna, ọha ụmụnna ga-ebu ụzọ nwaa ike ha n'idozi ya bụ okwu. Ọ bụrụ na okwu ahụ nyị ha, iji gbochie iburikọta nsi na aja, ha na-akpọku ụmụọkpụ ka ha bịa gbaa ndị ahu na-ese okwu ndụ. Ụmụọkpụ ga-aza oku a ma meekwa ka udo dị n'ihi na ọ dighị onye na-agbagha okwu ha n'ihe ha kpebiri n'ala nna ha (Ichie Nwankwo: 20th August, 2025, Personal Communications).

**iii. Esemokwu banyere ala**

Okwu banyere ala a bụghi agwọ a na-eji ịkpọ mma egbu. Oge ụfọdụ okwu ala na-esite n'aka nna nna were fere n'aka nna, ma sitekwa n'aka nna wee ruo ṇ'ụmụ. Ọ bụrụ na e meghị ngwangwa iji meghara ọdachi sitere n'ikpe ala o nwere ike iri isi ndị mmadụ.

Oku a na-akpọ Ụmụọkpụ n'ebe a abụghị ịbịa kpee ikpe a n'ihi na okwu ala dịịrị nwoke kama, ihe ha na-abịa itinye n'ọrụ bụ ihe ahụ ụmụnna ha kpebiri, maka na oge ụfọdụ e bie ikpe, ụfọdụ na-anabata ya, ụfọdụ anaghị anabata. (Ugwumba, August 15, 2025: Personal Communication)

**iv. Esemokwu N'etiti Di na Nwunye**

N'ala Igbo, ọ bụ eziokwu na a na-ahapụrụ di na nwunye ka ha dozie okwu dịịrị ha mana ọ bụrụ na okwu karịa n'ụdị iji ndụ egwu egwu, ndị no n'akụkụ ga-abatazi n'ihi na imi bewe anya ebewe.

N'oge ụfọdụ, ụmụnna na-ata okwu ata n'ihi na ha agaghi achọ ịta nwa nna ha ụta n'ihu nwunye ya. Ọ bụrụ na ọnọdụ dị otu a Ụmụọkpụ na-abata n'okwu ahụ, taa ụkwa jaa eze, onye ikpe mara a taa ya ụta na-eleghi mmadụ anya n'ihu. Ụmụọkpụ bie ikpe, mgbagha adịghị ya. (Emenike, August 2025; Personal Communication)

**v. Esemokwu N'etiti Ụmụ nwunyedi Abụọ**

Ọ bụrụ na ụmụnwunyedi abụọ enwee esemokwu, ndị di ha ga-agbagodu mbọ imezi ya bụ okwu, mana ọ bụrụ na ọ dabaghi, a ga-akpọzi ụmụọkpụ. Chetakwa na onye na-akpọ ụmụọkpụ n'ọnọdụ a ga-adị njikere iweta ihe ndị ha ga-eri na nke ha ga-aṅụ ọ bụladị ndị ha ga-ebu ala, tinyekwara ego ụgbọ ha.

> Dịka Emenike (onye a gbara ajụjụ ọnụ) siri kwuo, ọ naara abụ onye chechaa ihe ga-efu ya n'aka ụmụọkpụ ma ha bịara ya ikpe, ha adị na mbụ gbanaha okwu na ụka. Ọ bụrụ na ha bịa tinye okwu ahụ ọnụ, o nweghị ihe ọzọ onye ọ bụla pụrụ ime na-abụghị iwere ihe ha kpere n'ihi na mgbagha adịghị ya. (Emenike 12th August, 2025)

N'agbanyeghị ọrụ ndị a a kpọrọ aha, Ụmụọkpụ na-arụ ha ka nwekwara ọrụ ndị ọzọ ha na-arụrụ ndị obodo maka ezi mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọrụ ndị a gụnyere:

**i. Ụmụọkpụ na-agba ihe ọjọọ ọtọ**

Ụmụọkpụ bụ ndị a ma ama n'ịgba ama ihe ọjọọ a na-ezo ezo n'ala Igbo. Ọ bụru na ụmuọkpụ chọpụta na e nwere onye ma ọ bụ ndị bu agada gbachiri ụzọ, ndị ji ikikere ọgwụ ọjọọ na òtù ǹzùzò na-emegide ndị mmadụ, elemanya ndi obodo ga na-atụ ụjọ ikwu, iji gbanarị ọnwụ, ụmụọkpụ ga-agbakọta, ọ bughị naanị na ha ga-atụ onye dị otu a njọ ya n'anya kama ha ga-emerụ ọgwụ ya. Mgbe ụfọdụ ha ga-anyụkọta mmamịrị ha ọnụ wee kwutọsia okwu ọjọọ n'isi onye dị otu ahụ. Ha zọchaa ebe ahụ mpịata mpịa ha alaa, ọ dịghị ihe onye ahụ pụrụ ime (Oguzie Personal Communication July 20, 2025).

ii. Ụmụọkpụ Igbo na-akwado ihe ọ bụla ga-abụ ọdịmma ụmụnna ha. Iji maa atụ, ọ bụrụ na ụmụọkpụ e zute nwunye nwanne ha nwoke n'ụzọ, n'ahịa ma ọ bụ ebe a na-eme mmemme, ọ bụrụ na ejiji ya adịghị ha mma ma ọ bụkwanụ otu ọ dị adịghị ha mma, ha ga-ezute nwanne ha nwoke nye ya nkọcha otu o kwesịrị nke ga-eme ka uche ya dịrị ya n'ilekọta nwunye ya otu o kwesịrị. N'otu aka ahụkwa ka ha ga-eji baara nwunye nwanne ha nwoke mba ma ọ bụrụ na ha zute nwanne ha nwoke n'ụdị na-adịghị mma n'anya, ebe o yi efe ruru unyi, dị nkịkara ma dịkwa ka onye agụụ na-anyụ anya. Ha ga-ajụ nwanyị ahụ ma ọ bụ ọ hụghi di ya anya n'ụlọ tupu ya adịrị otu ahụ pụwa ama. Nwanyị dị otu a na-arịọ ụmụọkpụ mgbaghara ma kwe ha nkwa na ihe dị otu ahụ agaghị emekwa ọzọ. (Okere, C. Personal Communication, July 19th 2025).

iii. Ụmụọkpụ na-abata n'okwu metụtara onye otu ha

Ụmụọkpụ anaghị ekwe ka a na-emegide onye otu ha n'ebe ndị di ha, ọ kachasi ndị nke di ha nwụrụla anwụ, ụmụnne di ha wee na-achọzi imegbu ha. Ụmụọkpụ na-agba mbọ n'ihụ na a naraghị onye otu ha ala ya, nkwụ na ụkwa ihe ndị ọzọ o kwesịrị iji lekọta onwe ya na ụmụ ya. Ọtụtụ oge, ha na-enye aka meziere onye otu ha ụlọ ya ọ kachakwa ndị nke ụlọ ha na-ehi mmiri, ma ọ bụ ndị nke chọrọ ịdakpọsị adakpọsị.

iv. Ụmụọkpụ Igbo na-esonyere ụmụnne ha ndị nwoke mgbe ha na-aga ịlụta nwanyị. Dịka Adaobi siri kọwaa, naanị mgbe obi ga-esi nwanyị na-abịa di ike na ndị di ya nabatara ya bụ mgbe ọ hụrụ ụmụọkpụ ndị so bịa ịkpọrọ ya. Nke ka nke bụ na nwafọ Igbo ọ bụla na-aga ịlụta nwanyị ga-achọrịịrị ka ụmụnne ya ndị nwanyị sonyere ya. Ọnọdụ ụmụọkpụ n'emume dị otu a ga-enye nwoke ahụ ezigbo mmasiobi ike (Adaobi, Opara, Personal Communication, July 24th 2025)

Otu a kwa ka ụmụọkpụ Igbo ji enyere ụmụnna ha aka ka ha too ma kwụrụkwa n'ụkwụ ha n'okwu akụ na ụba. N'oge ụfọdụ ha na-akpọnara ụmụnwanne ha olemole na-azụ ha n'akwụkwọ, ziga ndị ụfọdụ ebe ha ga-amụ azụmahịa ma ọ bụkwanụ ọrụ aka ga-abara ha uru. Mgbe ụfọdụ ọ bụrụ ụmụọkpụ ndị di ha bụ akajiakụ, ha na-ayọ ya ka ọ gbazinye nwanne ha nwoke ego iji kwado azụmahịa nke ya, ma ọ bụkwanụ ịdị na-ebunye ya ngwaahịa, e rechaa a kwụnye ụgwọ. Ọ bụghị ihe ọhụrụ na ụmụọkpụ na-akwado ndị di ha ka ha bịa wuo ụlọ nwere agba n'ezinụlọ a mụrụ ha, iji megbaa ụmụnne ha ihu, ọ kachasị ndị nke aka na-esighị ike ịrụta ezigbo ụlọ n'onwe ha (Okere C. Personal Communication, July 30th 2025).

v. Ụmụọkpụ Igbo na-agba ama ndị bara uru

Ha na-atụpenye ụmụnna ha azụ banyere otu ọnọdụ siri dị, ọ kachasị n'oge obodo na ibe ha na-alụ ọgụ. Ụmụọkpụ ndị lụpụrụ di na mba aghaghị ịgbara ụmụnne ha ama banyere nkata ọ bụla a na-akpa iji megide ha. Nke a ga-emezi ka, ụmụnna ha were ụtụtụ chọwa ewu ojii. Iji chekwaa onwe ha ma gbochiekwa ihe ọjọọ kaara ịdakwasị ha n'ihi na agha e yiri eyi anaghị eri ngwọrọ.

v. Ọnọdụ Ụmụọkpụ N'oge Akwamozu

Ụmụọkpụ na-egosi uru ha bara n'ụzọ pụrụ iche mgbe ọ bụla a na-eme akwamozu nwanne ha nwoke ma ọ bụ onye ọ bụla n'ụmụnna ha. Malite mgbe ha natara ozi banyere ọnwụ nwanne ha, ruo mgbe a ga-eli ya, ha na-ewepụta oge na-aga ịnọnyere ezinụlọ ahụ mmadụ nwụnahụrụ, na-akasi ha obi ma na-esigakwara ha erimeri. Ọ na-abụkarị ha na-aga zigara ada onye ahụ nwụrụ anwụ ozi n'ebe ọ bụla a lụrụ ya iji gwa ya na nne ya ma ọ bụ nna ya ahapụla.

Ụmụọkpụ Igbo na-anọ na mbuụzọ n'idozi esemokwu ọ bụla dapụtara n'ebe mmadụ nwụrụ, mana nke ahụ egbochighị ha ibu agha e jiri mara ha. Mgbe ha chọpụtara na elemanya na nwanne ha tara ahụhụ nleda na elekọtaghị nke ọma, site n'aka nwunye ya na ụmụ ya. Ha ga-akpọ ndị dị otu a gbaa ha ajụjụ ọnụ otu o kwesịrị, ọ bụrụ na ha asataghị ọnụ ha, Ụmụọkpu ga-ada ha nha gbara ọkpụrụkpụ nakwa ahụhụ kwesịrị ha iji gbochie ụdị ihe ahụ ime ọzọ. Ụmụọkpụ anaghị ala azụ, n'isoro gaa jụọ ase ma ọ bụ mee nchọcha ihe kpatara ọnwụ nwanne ha. (Ogbalu, F.N. n.d: 28)

Ndị mere nchọcha na-eche na ọ bụ n'ebe a ka ụfọdụ ndị na-aghọtahie ọrụ ụmụọkpụ na-arụ dịka odozi obodo, si na-ahụtazi ha ka ọdọgha obodo. Ihe ndị dị otu a ga-aghọta bụ na anaghị eji anya reberebe achụ ajọ mmụọ, ọzọkwa a hapụ arụ ya gbaa afọ ọ bụrụzie omenala. Ihe ọ bụla ụmụọkpụ mere, ma ha ji ike ike ma ha ji nwayọ nwayọ bụ maka ọdịmma ụmụnna ha, na mgbatịkwụ ndị di ha nakwa ndị Igbo n'òzùzùòkè.

Osuagwu (nd:132) wee kwuo

> Ọ bụ eziokwu na ụmụọkpụ na-eme ka udele ozu daara, ma ha na-eme ka ebe mmadụ nwụrụ na ekpo ọkụ. Ha na-agụ egwu dị iche iche na-etukwa ozu ahụ aha n'egwu. Ha nwere ike iji aha ya rọpụta ụfọdụ egwu ha a na-agụ na-ekwukwe n'ihe ndị o mere. Ha na-arọkwa ụka ọchị dị iche iche.

Ihe ndị a ụmụọkpụ na-eme mere ka ndị mmadụ chefutụ ọnọdụ ọjọọ ha nọ n'ime ya site n'ibelatatụ iru uju dị ha n'obi. Ha ga-anọnyegidere ezinụlọ ahụ mmadụ nwụnahụrụ wee ruo mgbe e lifechara mmadụ, tupu ha alaa ebe ndị di ha.

## Ụmụọkpụ N'Ikwado Atụmatụ Ọrụ Mmepe Obodo

Ụmụọkpụ Igbo na-akwado atumatu ọrụ mmepe ndị a n'ọrụ n'obodo a mụrụ ha dịka Anozie (2003:125) siri kọwaa.

> Ha na-enwere onwe ha nzukọ kwa mgbe kwa mgbe. Ha na-atụkọtara onwe ha ego mgbe onye otu ha na-akwado ịlụ di. O nweghị ihe gbochiri ha ịbagide ọrụ mmepe n'obodo ha iji gosipụta ịhụnanya ha nwere n'obodo.

Ụmụọkpụ Igbo na-ehiwegasị ogige ebe a na-amụ aka ọrụ dị iche iche, dịka ịkwa ákwà, ịkpa isi, ijikwa ebe a na-eme emume, na isi ụdị erimeri dị iche ihe.

Mgbe ụfọdụ ụmụọkpụ na-abagide atụmatụ ọrụ igwuru ụmụnna ha olulu mmiri ọṅụṅụ. Ha na-arụzikwa ụlọakwụkwọ na ụlọọgwụ. Mgbe ọ bụla ndị obodo na-agba ọnya ego, maka ọrụ mmepe, ụmụada na-akpọrọ ndị di ha na ụmụ ha bịa kwado ụmụnna ha. Ha na-etinyekwa ego nke ha n'otu n'otu nakwa nke ha tụkọtara.

Nwachukwu (2006:206) wee kwuo

> ... ndị otu a gbasiri ezigbo ike, ha zukwara ka e mee... ndị ụfọdụ weere ha dịka ndị na-echekwa ọdịnala obodo. Ha na-etinye uchu ma na-egosipụta mmetụta n'okwu banyere mmepe obodo ha. Ha na-etinye ọnụ n'okwu mgbe ọ bụla a dara iwu obodo. Ha na-ada ndị dara iwu nha ruuru ha...

Ụmụọkpụ na-egosipụta amamihe ha otu o kwesịrị n'ime obodo dị iche iche. Ọ bụghị naanị na ha na-edozi esemokwu nke ndi nwoke na-apụghị idozite, ha na-etinye aka ịhụ na e nwere udo na ịda juu n'ime ahịa. Ha nwere otu ọtawaike nke ha, bụkwa ndị ha na-eji akpata ụgwọ ma na-anata ndị dara iwu nha.

**Ọnọdụ Ụmụọkpu N'ala Igbo ka Ọ dị Ugbu a**

O nwebeghị ihe e wepụrụ n'ime ugwu na nsọpụrụ, ọ bụladị n'anya a na-asọ ụmụọkpụ n'ala Igbo. E chefukwala na ọtụtụ ụmuọkpụ Igbo na-agba mbọ dara ụda na ngalaba ọrụ ha niile ma n'obodo Naịjirịa nakwa na mba ofesi. Ọtụtụ n'ime ha jicha ọkwa dị elu n'ọchịchị gọọmentị. Nchọcha a chetara ụmụọkpụ Igbo ndị dịka, odz. Ngozi Okonjo Iweala, Odz. Obiageli Ezekwesili, Odz. Kema Chikwe, Nwd. Chimamanda Adichie, Odz. Bianca Ojukwu, obuladi Odz. Dora Akunyili (nke larala mmuo), a ga-akpọkwanụ ole hara ibe ha. Ndị a bụcha ụmụọkpụ ndị Igbo ji eme ọnụ. A na-enyeha ugwu na nsọpụrụ ma na-etinyekwa ha n'ihe ndị a na-eme maka ọdịmma ala Igbo (Ahụmaraeze, personal communication, August 3rd, 2025).

The offsprings of ụmụọkpụ also enjoy much regards and respect from the mother's kinsmen. Different communities in Igbo land call them different names like umu nwa nwa, nwadiala, okele, dgz.

N'ala Igbo a naghị egosi Nwadiala ọjị ma ya gaa ibe nne ya n'ihi na e kwesịghị ịhụta ya dịka ọbịa. Ọ bụrụ na e gosi ya ọjị, o nwere ike werechaa ọjị niile ahụ tinye n'akpa ya ma laakwa, ụta adịghịrị ya. Osuagwu, (nd 3) wee kwuo...

> "... n'ebe ụfọdụ ọgọ ma ọ bụ nwadiala (okene) anaghị awa ọjị".

A na-asọpụrụ ụmụ nwa nwa site n'iwepụrụ ha olu anụ ndị e gburu n'ibe nne ha, maka na ọ bụ oke ruuru ha, a naghị agbagha ya agbagha. Ụmụ nwadiala na-emesara ahu rie ihe ọ bụla ha chọrọ iri na-atụghị egwụ nsi na aja ma ọ bụ ihe ọjọọ ọ bụla n'ihi na ndị Igbo anaghị emegide ụmụ nwa nwa ha iji gbanarị ụmụnne na iwe ndịichie, ndị ọkpụ na ndị egede. Ọ na-abụ ụmụdiala hụta onwe ha n'ọnọdụ ize ndụ ha na-agbapụ ọsọ ndụ gaa n'ibe nne ha iji zere ndụ.

Achebe, (1958:20) wee kwuo

> Okonkwo akwaa ngwongwo kpọrọ ndị nwunye ya na ụmụaka gbapụ n'Ụmụọfịa wee gbagaa ibe nne ya bụ Mbanta iji gaa kọọ mmapụ a mapụrụ ya n'iwu afọ asaa maka igbu nwa Ezeudu gbara afọ iri na isii n'oge akwamozu enyi ya nwoke. Dịka nwadịala ha, ndi obodo Mbanta enweghị ihe ọzọ ha pụru ime karịa ịnabata Okonkwo na ndị ezinụlọ ya niile ka ha bie afọ asaa. N'otu aka ahụkwa, ndị Mbanta jikwara ọ̀nụ nyere ezinụlọ Okonkwo aka mgbe ha na-alaghachi Ụmụọfịa mgbe ha nọchara afọ asaa ha gbara ọsọ ọchụ.

Ọ bụ nke a kpatara ndị Igbo ji atụ ilu sị, ọsọ chụwa nwanwa, ya agbagaa ibe nne ya. Mgbe ọ bụla nwa nwa (nwadiala) toruru ihe e ji mmadụ eme nwụrụ, a ga-aga kpọtụrụ ndị nna ya ochie (ụmụnna nne ya), ọ bụ ha ga-abịa were mbazụ igwe maa n'ala ebe ha chọrọ ka e lie nwa nwa ha, tupu ndị ga-egwu ala ili amalite gwuwe, ma ọ bụghị otu ahụ, ọ dịghị ihe ga-enwe isi. Nkwanye ugwu a bụkwa ụzọ iji hụ na e liri nwa nwa ha n'ebe o kwesịrị ga-abụkwanụ maka ọdịmma ezinụlọ ya ndị ọ hapụrụ laa mmụọ.

Nwọkpụ n'onwe ya nwụọ, ndị di ya ga-aga kwanyere ụmụnna ya ugwu dịka omenala Igbo sịrị dị.

Osuagwu (nd:131) kwuru,

> Site n'abalị ụbọchị ahụ o nwụrụ ndị ụmụọkpụ ibe ya ga-abịa ụra ozu (ịkwa abalị, iche abalị, nche abalị). Ha ga-esi mba dị iche iche ha lụrụ di bịa. Nwada ọ bụla nụrụ na ibe ya nwụrụ na-ahapụ ihe ọ bụla o ji n'aka jee ebe ahụ... Ha nwere ike jide ndị nwunye nwa ya si na ha ga-etigbu ha n'ihi na ọ bụ na ha eletaghị nne di ha anya mere o jiri nwụọ. Ha nwere ike kpọpụta ụmụ ya ndị nwoke ndị ntakịrị ma ọ bụrụ

ụmụ ụmụ ya sị na ha jụrụ ịkwachiri ya ụlọ mere mmiri jiri higbuo nwanne ha nwaanyị.

Ọtụtụ mgbe, ọ bụrụ na ndị Igbo chọpụta na e lezighị nwaọkpụ ha anya, ma ọ bụkwanụ na e tinyere ya n'oke mkpagbu nke kpatara ọnwụ ya, ha na-azọrọ egwu awọrọ (egwu agha) kpọrọ ndị dimkpa gbasiriike gaa buru ozu nwanne ha nwanyị lie ya n'ala nna ya. O doro anya na oke ihe ụfọdụ ndị Igbo na-ana ndị ọgọ ha ma nwaọkpụ ha nwụọ, dịka ehi, mmanya, ji, akwa dgz bụ iji tie onwe ha aka n'obi otu ha nwere ike n'ihi oke ihe funahụrụ ha (nwaọkpụ).

Otuosiladi, e nwere aka mgba chere ha n'ihu n'ala Igbo. Nke mbụ bụ n'ebe ndị na-aghọtahie ọrụ ndị ha na-arụ dịka odozi-obodo. Ha wee na-akọ asịrị dị iche iche ma na-emebikwa mmụọ ndị mmadụ n'ebe ụmụọkpụ dị, nke na-emezi ka ndị mmadụ nwụnahụrụ na-adị mbụ were iwe na ọnụma chebiri ụmụọkpụ ma na-eme ha, nkịta tagburu enwe, enwe tagburu nkịta.

N'agbanyeghị ụdị mmeso a, ụmụọkpụ na-enwetakwa oke ruuru ha n'ihi na ọ dịghị onye ga-achọ ịnara abụmụọnụ ha (Nnedozie, N. 19th August 2025, Personal Communication).

Ọnọdụ ọjọọ ọzọ metụtara ọnọdụ ụmụọkpụ nke metụtakwara ndị Igbo niile n'oge e mere nchọcha a bụ enweghi nchekwa ndụ na akụnụba nakwa oke iyi ndụ egwu na chi bọọ a nụ ọzọ nke a na-ahụta n'ala Igbo taa. Ka ọ di n'oge nchọpụta a, ndị o bu egbe ma ndị ntọrị na-awakpo ndị mmadụ aghara aghara na-atụrụ ndị a na-atụrụ, na-egbu ndị a na-egbu ma na-anarakwa ndị a na-anara ukwu ego iji gbara onwe ha.

Ọtụtụ obodo dị n'ala Igbo a gbaala ọsọ ndụ hapụ obodo ha gbagaa ụzọ ije, iji zere ndụ. Ụfọdụ obodo n'ala Igbo na-emezi akwamozu na olili ozu ụmụnna ha na mba (ụzọ ije) iji gbanarị mwakpo nke ndị obu egbe.

Ọnọdụ ọjọọ dị otu a na-emetụta ụmụọkpụ Igbo n'ihi na ha enweghịzi ike ilaru n'obodo a mụrụ ha kama, ụmụnna ha na-agbata ọsọ ndụ n'ebe a lụrụ ha, ebe ndị na-enweghị nsogbu mwakpo ndị egbu ara ọbara.

## Mmechi na Ntụziaka

Nchọcha a a gbaala ya n'anwụ ihe kpatara ụmụọkpụ Igbo jiri bụrụ odozi obodo, na-abụghị ọdọgha obodo. Ọrụ ọma ha iji kwalite udo na ọganiihu nke obodo a mụrụ ha bụ uru dịịrị ezinulo ebe a mụrụ ha nakwa ọha obodo ahụ n'ozuzu oke.

Iji kwado otu ọganiihu a ịdị na-aga n'ihu, nchọcha a na-enye ntụziaka ndị a:

i. Ọhanaeze ga-aturu anya ha ala wee hụta ọrụ ọma ndị ahụ ụmụọkpụ na-arụ n'obodo, iji tụgharịa uche ha ma kwụsịkwa nkatọ na nkọcha ha na-akọcha ụmụọkpụ, nke ihe kpatara ya bụ nghọtahie.
ii. Nwanyị ọ bụla a mụrụ n'ala Igbo nwere ebe ọ bụ nwọkpụ, n'ihi ya o kwesịrị ịga sonyere ibe ya n'otu ụmụọkpụ iji tụnye oke nke ya n'ọrụ idozi obodo.
iii. Ndị isi ọchịchị na gọọmenti ga-agba mbọ weghachite nchekwa ndụ na akụnụba na mpaghara ala Igbo. Ha ga-akwụsịrịịrị ndị o ji egbe ndị a na-awakpo ndị Igbo n'ubi ha, na-akwaso ụmụnwanyị iko n'ike ma na-egbukwa ndị ha na-egbu. Ọ bụrụ na ala dere duu, udo lọghachite, ụmụọkpụ ga-eji obi ruru ala na-alọta n'ala a mụrụ ha iji na-enye aka n'idozi obodo.
iv. Ndị obodo niile dị n'ala Igbo ga na-anabata ụmụọkpụ ha na-akwanyere ha ugwu na oke ruuru ha, nke a ga-eme ka ha jiri ezi obi ha na-arụ ọrụ ndị ha na-arụ maka ọdịmma obodo ebe a mụrụ ha.

## Edensibịa


Achebe, C. (1958). *Things Fall Apart*. Oxford: Heinemann.

Achebe, N. (2010). "Ogidi Palava: The 1914 Women's Market Protest" in Obioma Nnaemeka and Chima Korie (eds) shaping our struggles: Nigeria Women in History, Culture and Social Change Eriterea: Africa World Press.

Afigbo, A. (2010). "Women in Nigerian History" in Obioma Nnaemeka and Chima Korie (eds) Shaping our struggles: Nigeria Women in History, Culture and Social Change Eriterea: Africa World Press.

Ajaere, C.A. (2002) *Igbo kwenu: Akuko na Omenala ndi Igbo.* Enugu: Computer Edge.

Ene, M.O. (2007). "Igbo Women in Politics: Historical Analysis", in Ndigbo International Magazine. August 14, 2007 Pp 20, 21.

Iwuchukwu, R.C. (2006). "Gender Culture and Traditional Practices in Igbo land" Journal of Nigerian Languages and Culture. Vol. 8. P. 206

Memahon, M. (2024). https://www.ebsco.com/researchsta.

Ogbalu, F.C. (nd. *Igbo Institutions and Customs.* Yaba: John Okwess

Ogbalu, F.C. (1974). *Omenala Igbo: The Book of Igbo Custom.* Onitsha: Versity Press.

Ogbukagu, I.K. (1997). *Traditional Igbo Beliefs and Practices.* Owerri: Novelty Books.

Onyesoh< J. (2025). "Umuada: A Socio-political Institution for peace building and conflict management in Nigeria. https://journals opendition.org/polder/4075. DOI.https://dci.org/10,400.polder.4675

Osuagwu, B.I.N. (1979). *Ndi Igbo na omenala ha.* Owerri. Macmillan.